# MKPỤRỤ 'MUSTARD' AHỤ NA IHE NÁEKÒ ACHỊCHA

## Matiu 13:31-33

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 77 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka ala-eze-Gi bia, ka eme ihe I nāchọ, dika esi eme ya n'elu-igwe, ka eme kwa otú a n'uwa" (Matiu 6:10).**

**I Mmalite Ntakịrị Niile Nke Alaeze Ahụ**

1. Eji Alaeze Eluigwe tụnyere mkpụrụ mustard, Matiu 13:31
2. Otù nwoke weere ma ghaa kwa mkpụrụ mustard ahụ n'ubi ya, Matiu 13:31; 13:37, 38
3. Eweere mkpụrụ mustard dịka mkpụrụ kachasị ntakịrị karịa mkpụrụ niile, Matiu 13:32; 17:20

**II Ịdị Ukwuu Ikpéàzụ̀ Nke Alaeze Ahụ**

4. Mgbe mkpụrụ mustard ahụ toro o bùkarịa ihe niile anaakụ n'ubi, Matiu 13:32; Mak 4:32
5. N'ibù ya na n'ile ya anya o yiri osisi, Matiu 13:32; Ezikiel 17:22-24
6. Alaka ya niile bụ ngọzi nye anụufé niile, Matiu 13:32; Jenesis 12:3; Aisaia 2:2-4

**III Ịbàụbà Nke Alaeze Ahụ Anaapụghị Ịhụ́anya**

7. Eziokwu niile banyere Alaeze Eluigwe ahụ yiri ilu ahụ nke ihe náekò achịcha ahụ, Matiu 13:33
8. Otù nwanyị weere ma zobe kwa ihe náekò achịcha ahụ na mgbé ụtụ ọkà atọ, Matiu 13:33; Luk 17:20, 21
9. Ihe eji tinye ihe náekò achịcha ahụ bụ ka ọ banyesịa n'ụtụ́ ọkà ahụ niile, Matiu 13:33; 4:23; 24:14.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Jisọs, ka Ọ naakọwapụta ilu ndịa dị ebube, rụtụrụaka banyere "ihe-omimi ala-eze elu-igwe" (Matiu 13:11). "Ihe-omimi" ụfọdụ ndịa ka anaeme ka ha pụtaìhè nke ntà, nke ntà n'ilu ahụ Jisọs tụrụ. N'ilu nke Ọghamkpụrụ ahụ anyị chọpụtara na ka anaagha "okwu" Ya aghaghị ịnara ha, n'ihi na "okwu nke Mu onwem gwaworo unu, ha bu mọ, buru kwa ndu" (Jọn 6:63). N'ụzọ dị otú a ka anaàkụ̀ Alaeze ahụ n'obi mmadụ. N'ilu nke Ọkà na Atá ahụ Jisọs ziri na dịka Okwu Ya nke Ndụ naetò n'obi ahụ, otú ahụ ka ághà kwara "umu ala-eze elu-igwe" n'ụwa.

N'ilu ndịa agụpụtara, Jisọs metụrụ aka na mmadụ niile ahụ nke jikọtara ndị nketa nke Alaeze ahụ dị ebube. Ma ugbu a n'ilu abụọ ahụ dị anyị n'iru Ọ naemetụ aka na Alaeze ahụ n'izu òkè ya. N'ihi na Alaeze Eluigwe ahụ karịrị náánị iheomimi nime obi mmadụ gabiga òkè. Mmalite niile ndịa nwereike ịdị ka ihe dị ntà na ihe náadịghị mkpà nye ụfọdụ mmadụ, otú ahụ ka ha dị, dịka eji ha tụnyere n'ihe nke gaje ịgabiga; n'ihi na Jisọs naezi anyị na "nmalite ndia nile nke di ntà" gaeto ná aga n'iru, dịka mkpụrụ 'mustard' ahụ nke dị ezi ntà, otù ụbọchị Alaeze a gaejupụta kwa ụwa niile (Daniel 2:35-44).

**Mkpụrụ 'Mustard' Ahụ**

Mkpụrụ mustard naadị gburugburu dị kwa ntakịrị nke ukwuu, eweere ya n'ụzọ ịtụ ilu n'oge ochie dịka nke dị ntakịrị karịa mkpụrụ niile. N'otù oge ka Jisọs na ndị náesoụzọ Ya naakparịtaụkà, sịrị "Ọ buru na unu nwere okwukwe dika nkpuru mustard, unu gāsi ugwu a, si n'ebe a gabiga n'ebe ahu; ọ gāgabiga kwa; ihe ọ bula agagh-adi kwa nke unu nāpugh ime" (Matiu 17:20). Ọ sịghị "Dika nkpuru ájà," n'ihi na ájà enweghị ndụ nime ya: ma mkpụrụ mustard, n'ịdị ntakịrị ọ dị, nwere ihenzuzo nke ndụ ebube ahụ, o nwekwara ike itò. Okwukwe nke ezi ndị Kraist niile bụ okwukwe dị ndụ, ọ naetó kwa site n'ọnụnụ nke Okwu ahụ (Ndi Rom 10:17).

Ma otú ọ dị, Jisọs rọpụtara nnọọ mkpụrụ nke a dị ezi ntakịrị ịnọchị anya mmalite niile ahụ dị ntakịrị nke Alaeze ahụ, n'ihi na Alaeze Eluigwe bụ̀ otù obodo nke ndụ jupụtara nime ya; Eze ya bụ̀ "nbilite-n'ọnwu na ndu" ahụ, o nwe kwara ike itóetó. "Madu" weere mkpụrụ a ghaa "n'ubi" ya. Ebe Ọghamkpụrụ ahụ nke dị n'ilu abụọ mbụ garaaga bụ̀ Nwa nke mmadụ, anyị nwerike sị na Ọ bụ̀ kwa Ọghamkpụrụ ahụ n'ilu nke a, na "ubi" Ya bụ̀ ụwa n'otù aka ahụ. Ọlụ Jisọs nke ime ka Alaeze Eluigwe guzosieike malite kwara n'ụwa.

Ná mmalite nke oge nke Oziọma ahụ Jọn Onyeọwụmmiri, onye ahụ náedoziri Eze ahụ ụzọ, pụtara ìhè; ihe opi ya naada bụ̀, "Chègharianu; n'ihi na ala-eze elu-igwe di nso." Ka ọnwa isii gasịrị Jisọs bara n'ijéozi Ya, wee were kwa otù òkù a nke nchègharị; nime ijéozi Ya niile O kwusara "Ozi-ọma nka nke ala-eze elu-igwe." Alaeze Eluigwe ahụ nke Ọ bịara iguzobe naadị mgbe niile na òzízí Ya niile. Ọ bụ isiokwu kachasị mkpà nke ekpere ukwuu ahụ nke O ziri ndị náesoụzọ Ya, "Ka ala-eze-Gi bia, Ka eme ihe I nāchọ, dịka esi eme ya n'elu-igwe, ka eme kwa otú ahu n'uwa." N'ijéozi Ya nke dị mkpụmkpụ "nkpuru mustard" ahụ ka aghara. Akụwo mmalite niile nke Alaeze ahụ, o tówo kwa; n'ihi na ndịozi Ya na ndị náesoụzọ Ya ka enyere iwu ma nye kwa ike ịgbasa otù Oziọma nke a nke Alaeze ahụ. N'oge a nke Alaeze Eluigwe ahụ, eleghịanya, anya mmadụ ahụghị ya, nwereike ịdị ka ihe dị ntà, ma Jisọs nwere ọtụtụ ihe ịgwa anyị banyere Alaeze a.

**O Bukarịrị Ihe Niile Anaakụ̀ N'ubi**

Ndịijè ndị jeruworo Ala Nsọ ahụ naakọrọ anyị na ụdị mustard ahụ bụ̀ nke Jisọs kwuru maka ya ka naeto kwa nkeọma n'ala Palestine náeru kwa ịdị ogo nke mere ka iheọ̀kụ̀kụ̀ ahu dịkarịa ka osisi kama ịdị ka ihe anaakụ̀ n'ubi. Ihe a anaakụ̀ n'ubi nke pụrụ iche, nke malitere site ná mkpụrụ dị ntà wee torue ka osisi, bụ ihe anaahụ́anya nke Jisọs rọpụtara ịnọchi anya ịdị ukwuu ikpèàzụ̀ nke Alaeze Eluigwe ahụ. Ndị amụma nke Testament Ochie ahụ, n'inyomi anya nime iheomimi niile nke mkwà ochie ahụ, hụrụ ọhụ̀ nke Alaeze ahụ dị ebube, site n'ijupụta n'óké ọñụ n'ihe ahụ Mmụọ Nsọ kpugheere, ha buru amụma banyere ịdị ukwuu ya bụ̀ kwa abụ̀ banyere ngọzi ya niile.

Ezikiel Onyeamụma, n'ide banyere Alaeze a, nyere iheàtụ̀ nke kwesịrị ileba anya dịka ilu ahụ nke anyị naamụ ugbu a: "Otú a ka Onye-nwe-ayi JEHOVA siri: Mu onwem gēwere kwa ufọdu n'ọnu-ọnu osisi cedar di elu, kua ya; n'ọnu alaka-ya nke wara ọhu ka M'gākubipu alaka di nrò, Mu onwem gāku kwa ya n'elu ugwu di elu nke atuliri elu: n'ugwu nke ebe di elu nke Israel ka M'gāku ya: ọ gāwaputa kwa ngalaba, mia nkpuru, ghọ osisi cedar magburu onwe-ya: n'okpuru ya ka nnunu nile di iche iche gēbi: na ndò alaka-ya nile ka ha gēbi" (Ezikiel 17:22, 23).

Aisaia ji Alaeze ahụ tụnyere óké ugwu dị elu, nke karịrị ugwu niile ọzọ elu: "Ọ gēru kwa n'ikpè-azù nke ubọchi ndia, na ugwu nke ulo JEHOVA ganēguzosi ike n'elu ugwu nile, agēbuli kwa ya elu kari ugwu ntà nile; mba nile gērùba nime ya dika osimiri. Ọtutu ndi di iche iche gēje kwa, si Bianu, ka ayi rigorue ugwu JEHOVA, rue ulo Chineke nke Jekob; Ọ gēzi kwa ayi uzọ-Ya ufọdu, ayi gēje kwa ijè n'okporo-uzọ-Ya nile: n'ihi na Zaiọn ka iwu gēsi puta, okwu JEHOVA gēsi kwa na Jerusalem puta. Ọ gēkpe kwa ikpé n'etiti mba nile, dozi-kwa-ra ọtutu ndi di iche iche okwu-ha: ha gākpughari kwa mma-agha-ha nile ka ha buru mma-ọgè, na ubè-ha nile ka ha buru mma-ikwa-osisi: mba agagh ebuli mma-agha megide mba, ha agagh-amuta kwa agha ọzọ" (Aisaia 2:2-4).

Daniel mgbe ọ naakọ isi nrọ̀ ahụ nke Nebukadneza, ji Alaeze ahụ tụnyeere nkume: "Mgbe ahu ka etipiara igwè ahu na urọ ahu na ọlà ahu na ọlà-ọcha ahu na ọlà-edo ahu n'otù, o we di ka igbogbo -ọkà sitere n'ebe-nzọcha-ọkà nke mgbe okpom-ọkụ; ifufe we fechapu ha, ewe ghara ihuru ha ebe ọ bula: nkume ahu nke tipiara onyinyo ahu we ghọ oké ugwu, juputa uwa nile … Ma n'ubọchi-ha, bu eze ndia, ka Chineke nke elu-igwe gēme ka otù ala-eze bilie, nke agagh-emebi emebi rue mgbe ebigh-ebi, ọ bu kwa ọbubu-eze-ya ka anāgagh-arapuru ndi-ọzọ; ọ gētipia ala-eze ndia nile me ka ha gwusia, ma ya onwe-ya gēguzosi-ike rue mgbe ebigh-ebi (Daniel 2:35, 44).

Zekaraia naakọrọ anyị banyere Eze ahụ nke gaeguzobe ma chịa Alaeze a: "JEHOVA gāghọ kwa eze elu-uwa nile: n'ubọchi ahu ka JEHOVA gādi otù, aha-Ya gādi kwa otù" (Zekaraia 14:9); ebe Aisaia naakọwa n'ụzọ maramma ịdịmma niile nke Eze a, na usoro ahụ na ịbàụbà nke ịbụ onyeisi Ya: "N'ihi na amuworo ayi otù nwa, otù nwa-nwoke ka enyeworo ayi; ibu-onye-isi gādikwasi kwa n'ubu-ya: agākpọ kwa aha-ya Onye-ebube, Onye-ndum-ọdu, Chineke Nke bu Dike, Nna Nke bu Nna mgbe nile ebigh-ebi, Onye-isi udo. Ọ digh ọgwugwu ọ bula ịba-uba nke ibu-onye isi-Ya na udo-Ya gāgwu, n'elu oche-eze Devid, n'elu ala-eze-ya, ime ka o guzosie ike, na ikwagide ya n'ikpé ziri ezi na n'ezi-omume, site n'ugbu a we rue mgbe ebigh-ebi. Ekworo JEHOVA nke usu nile nke ndi-agha gēme nka" (Aisaia 9:6, 7).

JISỌS bụ̀ Eze ahụ. N'oge náadịghị anya Ọ gaarapụ ocheeze Ya nke Ọ bụ onyeogbugbo, wee bịaghachi n'ụwa ọzọ iguzobe Alaeze Ya nke Puku Arọ̀. Mgbe ahụ ka agaemezu amụma niile ahụ eburu mgbe ochie. Mgbe ahụ ka agaaza ekpeere ahu nke ọgbọ niile: "Ka ala-eze-Gi bia. Ka eme ihe I nāchọ, dika esi eme ya n'elu-igwe, ka eme kwa otú ahu n'uwa." "N'ihi na ayi matara," ka Pọl naekwu, " na ihe ekèrè èkè nile nāsukọ udè, ime nēmekọ kwa hà, rue ugbu a. Ma ọ bugh nánị nka, kama ayi onwe-ayi, ndi nwere nkpuru mbu nke Mọ Nsọ, ọbuná ayi onwe ayi, nāsu kwa udè nime onwe-ayi, mgbe ayi nēchesi ido-ka nwa-nwoke ahu ike, bú mgbaputa nke aru-ayi" (Ndi Rom 8:22, 23).

Ọbụbụọnụ ahụ nke mmehie wetara n'eluụwa abụrụwo ibuarọ́ nye mmadụ niile, ọ dịghị kwa ụdị usoro ọchịchị nke mmadụ chèpụtara nke pụrụ, maọbụ gaapụ iwepụ ọbụbụọnụ ahụ. Náánị mgbe Jisọs weere ocheeze nke Devid náachị kwa n'eziomume, ka aga ewepụ ọbụbụọnụ ahụ. Mgbe ahụ ka ala ihe náadịghị ga agbawa okoko ọhịa dịka rose. Mgbe "osisi mustard" ahụ tozuru òkè, mgbe ahụ ka anụufe nke eluigwe gaahụ ebe mgbaba na ngalaba ya niile, n'ihi na oge ahụ ka mkwà ahụ ekwere Abraham gaemezu: "Agāgọzi kwa agburu nile nke uwa nime gi."

**"Al'eze ahụ nābị a,**
**Ọ! kọ akụk'ahụ.**
**Welie ọ̀kọ̀lọ̀tọ̀ Jisọs!**
**Ụwa gējupụta**
**Ná nghọta n'otuto Ya**
**Ka miri dị n'osimiri!**

**Ihe Náekò Achịcha Ahụ Na Ụtụ́ Ọkà Ahụ**

Ndị Ju, n'oge ahụ nke mpụtaìhè Jisọs n'etiti ha, naeleanya otù Alaeze nke náabịa, n'ihi na ịdị ukwuu na ebube ya ka akọwara nkeọma nguzobe ya ka ekwekwara ná mkwà ọtụtụ ugbò nime Teatament Ochie, dịka anyị hụrụ site n'ọtụtụ ebe ọgụgụ ahụ nke agụrụ site n'Akwụkwọnsọ. Ma igwèmmadụ niile ahụ, na ọtụtụ nime ndị náesoụzọ Jisọs,

naeleanya otù alaeze nke jupụtara n'ebube na ike nke ụwa. Ha nwere ntakịrị nghọta, maọbụ na ha enweghị nghọta ọ bụla banyere Alaeze nke imemmụọ ahụ nke Jisọs kwusara. Nke ahụ bụ otù iheomimi. "Ma mgbe ndi-Farisii juru Ya mgbe ala-eze Chineke gābia, Ọ zara ha, si, Ala-eze Chineke adigh-abia mgbe madu nēche nche (ihe-nkiri): ha agagh-asi kwa, Le, n'ebe a! ma-ọbu N'ebe ahu! N'ihi na le, ala-eze Chineke di n'etiti unu" (Luk 17:20, 21).

Ọ bụ ihe pụtara ìhè nkeọma site n'okwu ndịa na Jisọs naekwu banyere oge mmalite nke Alaeze Ya -- Oge mgbasa nke Oziọma a, mgbe Alaeze ahụ, dịka anyị mụworo, bụ́ ihe anaeme ka o guzosieike n'obi, ọ pụtabeghị ìhè nye ụwa. Nke a bụ kwa oge ahụ, anyị kweere, nke ihe náekò achịcha ahụ dị n'ụtụ́ ọkà ahụ bụ ihe ịma àtụ̀ ya. "Ihe nēko achicha" ahụ, n'ike ikòèkò ya n'elu mgbé ụtụ́ ọkà atọ ahụ, yiri ike ikòèkò nke Oziọma ahụ, ọ bụghị **n'elu** ụwa, kama nke ahụ nke náaga n'iru **nime** ụwa n'ụzọ dị omimi ma dị kwa ebube, n'Oge Amara nke a. Nwanyị ahụ "zoro" ihe náekò achịcha a n'ụtụ́ ọkà ahụ. N'ụzọ dị otú ahụ ka ezoro "ihe-omimi ala-eze elu-igwe" n'ebe ụwa náajụ Kraist nọ. Ma otú ọ dị "agēkwusa kwa Ozi-ọma nke ala-eze elu-igwe n'elu-uwa dum madu bi, ka ọ buru àmà nye mba nile," rue mgbe "utu ọkà ahu dum" kosịrị, "mgbe ahu ka ọgwugwu ihe nile gēru kwa."

Chineke site n'amamihe ebighịebi Ya ekpebiwo ịrọrọ Ụwa a nke mmehie jupụtara dịka "ubi" Ya nke aga-emezu mmeri ikpé-àzụ̀ ahụ dị kwa óké ebube nke Alaeze Ya, bụ́ nke ekwuworo site n'ọnụ ndị amụma. Ọ bụ kwa ebe a ka Ọ naarọrọ ndị nketa Ya nke Alaeze náeme kwa ka ha zueòkè. Ọ bụ ebe a ka anyị "nāgbasi mgbà-ọma nke okwukwe ike." "Mgbà" a nwereike ịdị ka ihe olileanya náadịghị na ya nye ụfọdụ mmadụ, ma Onyenweanyị Jisọs Kraist wetara n'ụwa nke a "Ozi-ọma nka nke Ala-eze Elu-igwe," nke Ya na ndịozi Ya kwusara, nke O sitekwara na ya meghee ọnụụzọ nke Amara ahụ nye ebo ọ bụla, mba ọ bụla, na asụsụ ọ bụla. Ọ dịbeghị mgbe ike nke Oziọma a funarịworo ya. "Onye-nwe-ulo ahu we si orù-ya, Pua ga n'uzo nile na ogige nile, rugide kwa madu ka ha bata, **ka ulom we juputa"** (Luk 14:23).

> **"Ọlụ ahụ ekwesịrị ịlụ ọtụtụ narị arọ**
> **Ka anaghaghị ịlụ n'oge ọdị da anyanwụ**
> **Ị ghaghị iji obi nānụ ọkụ**
> **Nēkwusa Aha nzọpụta ahụ nye ụwa."**

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. N'ụzọ dị añaa ka "nkpuru mustard" ahụ ji yie Alaeze Eluigwe?
2. Ọ̀ bụ onye ka "madụ" ahụ nke kụrụ mkpụrụ a naanọchita anya ya?
3. Òlee ụzọ itoètó nke mkpụrụ mustard nke a ji yie Alaeze Eluigwe?
4. Gịnị ka "anu-ufe nke elu-igwe" ahụ nke náanọ n'alaka niile nke óké iheọkụkụ ahụ naanọchi anya ya? Òlee mkwà ekwere Abraham nke akụ̀kụ̀ a nke ilu ahụ naegosi?
5. Òlee ebe na n'ụzọ dị añaa ka mmalite niile nke Alaeze a weere ọnọdụ?
6. Gịnị ka "ugwu" ahụ nke dị n'Aisaia 2:2-4 naegosi?
7. Kpọọ aha ndị amụma ahụ nke Testament Ochie ndị buru amụma banyere Alaeze a.
8. Gịnị gaabụ óké mmeri ikpèàzụ̀ nke Alaeze a?
9. N'ụzọ dị añaa ka ọlụ nke "ihe nēko achicha " ahụ nke dị nime ụtụ́ ọkà ahụ ji yie ihe naeme ná nguzobe nke Alaeze ahụ?